# Iji Asụsụ Epum Akụzi Ihe N’ogo Agụmakwụkwọ Nke Praịmarị Na Naịjirịa: Uru Na Ụfọdụ Ihe Na-Echere Ya Aka Mgba

**Nwigwe Nwakaego**
Departmentof Arts and Social Science Education
Faculty of Education
Ebonyi State University, Abakaliki
*nwakaegonwigwe@gmail.com*

## Ụmịedemede

N’ime pọlisi agụmakwụkwọ nke Naijiria, gọọmenti nke etiti kọwapụtara mbunuuche agụmakwụkwọ nke ogo Praịmarị. Edemede a na-akọwa na ogo praịmarị bụ ntọala ji ogo agụmakwụkwọ ndị ọzọ, asụsụ bụkwa ngwa ọrụ kachasị mma iji nye ụmụaka nọ n’ogo ahụ agụmakwụkwọ rijụrụ afọ. Edemede a tụpụtara ihe asụsụ epum pụtara, ọtụtụ uru asụsụ epum bara n’agụmakwụkwọ, ọ kachasị n’ogo prịmarị nakwa ụfọdụ ihe na-echere atụmatụ a aka mgba dịka; ọtụtụ asụsụ e nwere na Naijiria; etinyeghị ihe polisi kwuru n’ọrụ nke ọmà; ntozuoke ndịńkụzị na ụkọ akwụkwọ ọgụgụ. Edemede a tụtara eruro n’ ụzọ inye ntụziaka dịka; iwulite ọtọgrapfị ọtụtụ asụsụ ala anyị; inye ndị nkuzi ọzụzụ dịka o kwesịrị na Ịhụ na e mejupụtara ihe polisi kwuru banyere iji asụsụ epum akụziri ụmụaka ihe n’ogo agụmakwụkwọ nke praịmarị. Nke a ga-enye aka n’imejupụta ebumunuche nke gọọmenti etiti gbasara agụmakwụkwọ n’ogo praịmarị na Naijịrịa.

**Ọkpụrụkpụ Okwu:** Asụsụ epum, agụmakwụkwọ, nkuzi na mmụta,praịmarị

**Mkpọlite**

Ogo agụmakwụkwọ nke praịmaịrịbụ ntọala nye ogo agụmakwụkwọ ndị ọzọ, dịkà ogo nke sekọndịri na ogo nke Mahadum. Ọ bụ ihe doro ewu na ọkụkọ anya na ọ bụrụ na ntọala ụlọ esighị ike nke ọmà na ụlọ ahụ ga-ada. Mbunuuche agụmakwụkwọ n'ogo praịmarị bụ ka ụmụaka nwee nka agụedè, nka mgbakọ na mwepụ na inwe nka ịsụ asụsụ nke ọmà. Nke a mere ka gọọmenti nke etiti, FRN (2004: 2014) mapụta na agụmakwụkwọ nke Bezik ga-abụ afọ itoolu, afọ isii (6) bụ maka ogo praịmarị , afọ atọ (3) bụ maka ogo sekọndịri nke nta (JSS).

Asụsụ bụnaanị ngwa nke mmadụ nwere iji weta mgbanwo na ndụ ya, chụọ agụụ na ụbịam ọsọ ụkwụ eru ala. Asụsụ bụ ihe mmadụ na ibe ya ji akparịta ụkà, bụrụ ihe mere mmadụ jiri dị iche n'ebe anụmanụ ndị ọzọ Chukwu kere eke nọ. Asụsụ epum (Mother tongue) bụ asụsụ mbụ mmadụ mụtara ịsụ tupu ọ mụta asụsụ ndị ọzọ. Ọ bụ asụsụ a ñụtara n'ara nne. Ogo agụmakwụkwọ nke praịmarịna Naijiria bụ ntọala nye ogo agụmakwụkwọ ndị ọzọ. Ọ bụkwa ide ji isi nkụzi na mmụta nke Maduewesi na Eguabor (2005) sịrị na ọ gbanyere mgbọrọgwụ n'ime Ntụanya nke Millennium Development (MDGs) nke gụnyere;

- Ikpochapụ agụụ na ụbịam.
- Ime ka nwata ọbụla nwe ohere ịgụ akwụkwọ nke Bezik.
- Ibelata ọnwụ ụmụaka.
- Ibụso nrịanrịa, HIV/AIDS agha ma ndị ọzọ

Ntụanyà ndị a gbadoro ụkwụ na a ga-akụziri ụmụaka ụkpụrụ dị mma na akparamagwa dị mma nke ga-enyere ha aka ibi ogologo ndụ n'ime ọhaobodo ha ma ọ bụ ebe ọbụla ha hụtara

onwe ha n'ụwa a. Ọ bụkwa naanị asụsụ ka anyị ga-enwe ike iji mejụpụta ebumnuchè ahụ.

**Polisi Maka Asụsụ Agụmakwụkwọ:**

Asụsụ a ga-eji akụzipụtàrà ụmụaka ihe n'obodo nwere ọtụtụ asụsụ bụ ihe na-echu ndị ọkammụta nandị na-ahazi maka agụmakwụkwọ ụrā. Nke a mere ka Quadraogo (2000) kwue na ihe banyere asụsụ na agụmakwụkwọ na mba Afrika bụ ihe dị mgbagwoju anya n'ihi ọtụtụ asụsụ e nwegasịrị na agbụrụ dị iche iche. Obodo Naijiria nwere ọtụtụ asụsụ na ọtụtụ agbụrụ, nwekwa ihe karịrị asụsụ naarị ise (500) dịka ọkammụta Blench (2002) sịrị kwue.

Polisi maka asụsụ agụmakwụkwọ na Naijiria malitere kamgbe ndị mbiarachiwa (colonial era), oge Phelps-stokes kọmishọn nke Afrịka n'afọ 1922, mara ọkwà maka ịdị mkpa iji asụsụ epum akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ, ọ kachasị n'ogo praịmarị nke nta (praịmarị 1-3). Ọ si na onweghị mmegbu karịrị na a napụrụ ndị mmadụ asụsụ ha. Nke a mere ka nwada Phelps- stokes nye nkwado tọrọ atọ maka iji asụsụ epum nwata akụziri ya ihe n'ogo praịmarị nke nta.

Gọọmenti etiti Naijiria ṅọmịrị ụkpụrụ a nke nwada phelp-stokes tụrụ site n'itinye ya n'ime polisi nke agụmakwụkwọ na asụsụ epum ga-àbụ ihe a ga-eji akụziri ụmụaka ihe n'ogo praịmarị nke nta, ebe asụsụ bekee ga-abụ asụsụ e ji akụzi ihe n'ogo praịmarị 4-6. Aga-akụzikwa asụsụ Hausa, Yoruba na Igbo dịka sọbụjekịtị.

**Asụsụ Epum:**

Asụsụ, (asụsụ epum) bụ usoro ndị mmadụ si na-emerube, ma na-echekwa omenaala ha. Asụsụ epum bụ asụsụ ahụ nke anyị na-eji ewulite echiche, hazie amamihe anyị nwere na ndụ, ghọtamie omenaala na ewumewu anyị, hazie iwu obodo na

ụkpụrụ dị mma, jiri ya akọwapụta onwe anyị n'ụzọ dị iche iche. Ọ bụ asụsụ ahụ nke a na-ejikarị akparịta ụkà n'ezinụlọ nakwa na gburugburu anyị, nke ndị nne na nna na-enyefe n'aka ụmụ ha, bụrụkwa asụsụ nke na-egosịpụta omenaala, ewumewu na agbụrụ nke onye si na ya. Ọ bụkwa otu ụzọ nke ndị si n'otu agbụrụ si na-egosipụta onwe ha na opụrụiche ha nye ndị ọzọ. N'obodo anyị a bụ Naijiria, e nwegasịrị ọtụtụ agbụrụ dị iche iche nke na-egosịpụta onwe ha na ọpụrụiche ha site n'isu asụsụ epum ha na ibi ndụ n'ụzọ omenaala ha. Anyị kwesịrị ịdị na-akwado ụmụaka ịsụ asụsụ epum ha (Igbo) n'ihi na ọ ga-enyere ha aka iwulite ntụkwasị obi n'agbụrụ ha, na-egosịpụtakwa onwe ha n'ụzọ pụrụ iche dịkà ndị Igbo n'obodo Naijiria. Ha ga na-ebikwa ndụ n'asụsụ na omenaala Igbo. Nke a bụ maka na asụsụ na omenaala na-aga aka na aka. Otu agaghị apụwa hapụ ibe ya. Ọ bụrụ na anyị achọghị ka njirimara na omenaala anyị fụnahụ anyị, ọ dị mkpa ka anyị malite tinye uchu n'ikụzị asụsụ ala anyị n' ụlọakwụkwọ ọ kachasị n'ogo agụmakwụkwọ nke praịmarị.

## Mbunuuche Asụsụ Agụmakwụkwọ (Asụsụ Epum)

Ịhụ na e mejụpụtara mbunuuche agụmakwụkwọ Naijiria ndị gụnyere; ịkụbanye ịdịnotu, ụkpụrụ dị mma, na akparamagwa dị mma maka ọdịmma nke ndị mmadụ na nke Naijiria, gbadoroụkwụ n'iji asụsụ ala anyị akụziri ụmụaka ihe ọ kachasị n'ogo praịmarị nke nta (Bezik 1-3).

Ọ bụ eziokwu na ọghọm na-adakwasi obodo ọbụla nke leghaara asụsụ na omenaala ha anya n'ogo agụmakwụkwọ nke praịmarị . Ọkammụta Skutnabb-Kangas (2000) kwadoro okwu ahụ wee si; "na ọ bụ ihe ịgbā anya mmiri ileghara asụsụ obodo ọbụla anya site n'ejighi ya akụziri ụmụaka ha ihe".

Iji asụsụ ala anyị akụziri ụmụ akwụkwọ ihe ga-eme ka ha na-amụta ihe a na-akụziri ha nke ọmà, ọ kachasị n'ihe gbasara omenaala. Asụsụ na omenaala bụ ogene mkpị naabọ, ha abụọ

na-agakọrịta ọnụ. Site n'iji asụsụ epum nwata akụziri ya ihe ọ na-amụta usoro omenaala nke ga-enyere ya aka ibi ndụ ya nke ọmà na gburugburu ebe ọbụla ọ hụtara onwe ya.

## Uru Asụsụ Epum Bara N'Agụmakwụkwọ

Otu UNESCO (1953), ekwuola ma nyekwa nkwado ka ndị mba Africa jiri asụsụ epum nwata akụziri ya ihe n'ụlọakwụkwọ ogo praịmarị. N'otu aka ahụkwa, atụmatụ agụmakwụkwọ, nke a kpọrọ "Education for All (EFA) n'olu Bekee, hibekwara isi n'iji asụsụ epum nwata akụziri ya ihe. Ha kwenyere na atụmatụ a ga-amịta mkpụrụ naanị ma o bụrụ na e ji asụsụ epum nwata akuziri ya ihe n'ogo agụmakwụkwọ nke praịmarị. Ndị ọkammụta na ndị na-eme nchọcha kwenyekwara na ọ bụ naanị obodo jiri asụsụ epum akụziri ụmụaka ihe n'ụlọakwụkwọ ga-enweta ebumnuche nke EFA.

N'olu nke ya, Ọkankụzi Agenlina Kioko nke mba Kenya, kwukwara na iji asụsụ epum nwata akụziri ya n'ụlọakwụkwọ na-eme ka nwata na-amụta, aghọta ihe a na-akuziri ya nke ọma, na-ewulitekwa nka agụede nke ga-eme ka ọ na-eme nke ọma n'agụmakwụkwọ ya.

Ndị Ọkammụta dịkà (Adegbija, 1994; Ball, 2010; Chuo & Walter, 2011, na UNICEF, 2011) kwadoro okwu ahụ na nchọcha nke ha, nke gosịrị na ọ bụrụ na nwata enwe nka igụ na ide n'asụsụ epum ya, na-asụkwa asụsụ ahụ werewere n'enweghi nsogbu ọbụla, na ọ ga-enye aka n'iwulite ogo nghọta ya nke ga-eme ka nwata ahụ na-eme nke ọma n'agụmakwụkwọ ya.

Ọzọkwa, ihe a chọpụtara na mba ụwa dị iche iche dịkà (Nigeria, Cameroon, India, Mali, South Africa, Philipines na Vietnam) na-agba akaebe banyere uru dị n'iji asụsụ nwata maara akụziri ya ihe. Nke mbụ bụ na ụmụaka na-amụta ịgụ ihe ọgụgụ ngwangwa n'ihi na ha amarala mkpụrụokwu, akpaọkwu,

otu e si ahazi ahịrịokwu nakwa ịkpọpụta ụda n’asụsụ ahụ nke ọma. Ihe ndị a ụmụaka mabuuru n’asụsụ epum ha na-enyere ha aka ịgụ ma ghọta ihe ha gụrụ nke ọma. Ihe ndịa na-enyere ha aka ime nke ọma n’agụmakwụkwọ ha.

Ịmata asụsụ epum na-ewulite ogo amamiihe nwata, nke ga-enyere ya aka n’ịmụta asụsụ nke abụọ (L2). Ọ bụrụ na nwata amụta ịgụ ihe ọgụgụ n’asụsụ epum ya, ọ ga-emekwa ka ọ mụta ịgụ ihe ọgụgụ n’ asụsụ nke abụọ ya (L2). Nke a bụ maka na a na-enyefe nke asụsụ ndị a site n’otu asụsụ gaa na nke ọzọ. (L1 – L2).

Ọtụtụ ndị ọkammụta ekwupụtala ọghọm dị iche iche maka ịmanye na iji asụsụ bekee akụziri ụmụaka ihe (Collier & Thomas, 2004; Cummins, 1999-2003 na Garcia, 2005). Ha chọpụtara na ụmụ akwụkwọ ndị eji asụsụ bekee akuziri ihe anaghị aghotacha nka asụsụ dị n’asụsụ bekee nakwa n’asụsụ epum ha. Ha sịrị na enweghị nka n’asụsụ abụọ ndị a a na-ebutere ụmụaka nsogbu emeghị nke ọmà n’agụmakwụkwọ ha (Nka ndị a gụnyere; nka onụnụ, nka okwukwu, nka ọgụgụ na nka odide).

**Ụfọdụ ihe na-eche aka mgba nye iji asụsụ epum akụzi ihe n’ogo praịmarị nke nta:**

Ihe bụ mbunuuche agụmakwụkwọ nke Bezik bụ ka nwata nweta nka agụedè, nka mgbakọ na mwepụ na enwemike ịsụ asụsụ nke ọmà. E nwere ụfọdụ ihe nke na-echere imejụpụta mbụnuuche iji asụsụ epum ($L_1$) akụzi ihe n’ogo praịmarị aka mgba. Ha gụnyere ihe ndị a:

- E nwere ọtụtụ asụsụ na Naijiria.
- E tinyeghị ihe polisi kwuru n’ọrụ nke ọmà.
- Ntozuoke onyenkụzi

- E nweghị ngwa nkuzi dgz.

## Ọtụtụ Asụsụ E nwere na Naijiria

Asụsụ bụ ihe eji ebi ndụ, na-egosipụta omenaala, ụkpụrụ dị mma, nkwenye na ewumewu dị iche iche. Naijiria bụ obodo nwere ọtụtụ asụsụ nke karịrị nari ise (500), mana ọtụtụ n'ime asụsụ ndị a enweghi ọtọgrafi nke e ji ede ha, mana FRN (2004: 2014) ekwuela ka e jiri naanị asụsụ epum ma o bụ asụsụ a na-asụ n'ebe nwata ahụ bị na-akụziri ya ihe n'ogo agụmakwụkwọ praịmarị nke nta. Nsogbụ dịkà Musa (2010) sịrị hụ ya bụ na e nweghị ụbara okwu n'asụsụ ndị a nke onyenkụzi ga-eji akọwapụta mpụtara ihe ụfọdụ nke gbasara sobụjekiti ndị a; mgbakọ na mwepụ na sayensi n'ihi na ha enweghi mkpụrụokwu ga- enye aha ihe ahụ kpọmkwem n'asụsụ epum.

Ọbụ eziokwu na agụmakwụkwọ nke kacha abara nwata nọ n'ogo praịmarị ụrụ bụ naanị nke e jiri asụsụ epum ya kụziere ya ihe. Baker (2000) n'ikwado okwu ahụ sịrị na ụmụaka na-aka amụta ihe e ji asụsụ ha maara na-akụziri ha. Onye ọzọ na-akwado okwu a bụ Musa (2007), Ọsị na ihụ na nwata tolitere nke ọmà gbadoro ụkwụ n'iji naanị asụsụ epum ($L_1$), asụsụ nwata ñụtara n'ara nne ya, asụsụ ahụ nke nwata na-eche echiche na ya, arọ nrọ na ya, bụkwa nke o ji akọwapụta echiche ya n'enweghị nsogbu ọbụla. Ọ sịrị na ejighị asụsụ epum nwata akụziri ya ihe oge ọ malitere akwụkwọ dị ka ịkpọpụ nwa ahụ n'ụlọ dunye ya n'etiti ndị ọ maghị ahụ/ihu ha. Nsogbu wee bụrụ kedu etu Naijiria ga-esi nabata asụsụ karịrị naarị ise (500) iji na-akụzi ihe n'ogo Praịmarị nke nta, bụkwa nke ọtụtụ n'ime asụsụ ndị a etozughị etozu n'ihe a chọrọ n'asụsụ dịkà n'ihe gbasara inwe ọtọgrafị bụ ịgba.

## Etinyeghị Ihe Pọlisi Kwuru N'ọrụ Nke ọmà

Iji asụsụ epum ($L_1$) nwata akụziri ya ihe n'ogo praịmarị nke nta (Praịmarị 1-3) bụ ihe kacha mma dịka polisi

agụmakwụkwọ Naijiria sịrị kwuo (FRN, 2004; 2014), mana o nwere ọtụtụ ihe ịmā aka n'ihu nke butere ndalaazụ n'imejupụta mbunuuche agụmakwụkwọ n'ogo praịmarị na Naijiria. Ha gụnyere; e nweghị ndị nkuzi maara nke ekwe na-akụ n'ihe gbasara asụsụ ala anyị dị iche iche; ọtụtụ steeti enwebeghị ike depụta akwụkwọ mkpanaka (Teachers' handbook), nke onye nkuzi ga-eji tinye kurikulum n'ọrụ n'asụsụ epum nwata ($L_1$); ụfọdụ steeti ndị gbalịrị depụta akwụkwọ mkpanaka ndị nkuzi n'asụsụ epum ($L_1$) ekesabeghị ha ka o rute ụlọakwụkwọ ndị nọ n'imeime obodo; ọtụtụ ụlọakwụkwọ praịmarị ndị nọọrọ onwe ha (Private Schools) anaghị erube isi n'ihe polisi kwuru banyere iji asụsụ epum ($L_1$) na-akụzi ihe n'ogo Praịmarị , kama, ha na-eji asụsụ Bekee akụzi ihe site n'ogo praịmarị nke nta rue na praịmarị nke isii (6). Ọtụtụ n'ime ha enweghikwa ndịnkuzi asụsụ epum/asụsụ ọdịnaala ($L_1$).

## Ntozuoke Onye nkuzi

Agaghị akọcha ihe banyere ịjị asụsụ epum akụzi n'ogo praịmarị n'ekwughi maka ndị nkuzi, ndịga-etinye atụmatụ niile maka agụmakwụkwọ n'ọrụ n'ime klaasị. Ọtụtụ ndị nkuzi amaghị nke ekwe na-akụ n'ihe banyere iji asụsụ epum ($L_1$) akụziri ụmụaka ihe. Ịbụ onye Igbo ma ọ bụ ịma asụ asụsụ Igbo, abụghị ihe ga-eme ka onye ahụ tozue oke ịkụzị asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ma ọ bụ jiri ya akụzi sọbụjekiti ndị ọzọ n'ogo praịmarị. A na-ahụkarị ọtụtụ ndị nkuzi n'ogo praịmarị, ndị amaghị agụ ma ọ bụ ede n'asụsụ epum ha ($L_1$) ma ha na-akụziri ụmụaka ihe. Ha enwekwaghị ike ịsụ asụsụ igbo nke ọmà, kama ha na-asụ na-agwakọta asụsụ bekee na asụsụ Igbo ọnụ (Engligbo). Ọ dị mkpa na e tinye kurikulum n'ọrụ n'ụzọ o kwesịrị. Ihe nke ahụ pụtara bụ na e kwesịrị inye ndị nkuzi ọzụzụ dị mma, ihụ na ha na-etinye kurikulum n'ọrụ n'ụzọ okwesiri (Mohammed, 2011). N'aka nke ya, Iyobhebhe (2005) kwuru na ndị nkuzi bụ "isi sekpụ nti" n'ihe gbasara agụmakwụkwọ; ọnụọgụgụ, ha, ntozuoke na enwemike ha bụcha ihe ga-eme ka agụmakwụkwọ

na Naigiria mita mkpụrụ dikà o kwesịrị. Ọ bụ naanị ndị nkuzi maara nke ekwe na-akụ n'asụsụ, nwere ike izuputa ụmụ akwụkwọ ga-abụ ndị ụbụrụ ha na-aghọ nkọ n'ịmụta ihe ọ na-akụziri ha.

## Enweghi Ngwa Nkuzi

Ụkọ akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ ala anyị bụkwa ihe ọzọ na-echere mmejupụta atụmatụ a aka mgba. Nke a bụ maka na ọtụtụ asụsụ e nweghị ọtọgrafi. E nweghị akwụkwọ ọgụgụ ga-eme ka ụmụaka ghara inwe mmasị, n'ihe a na-akuzịrị ha n'ihi na onweghị ụzọ onyenkuzi ga-esi kpọlite mmụọ ụmụaka na nkụzi ya. Nke a ga-eme ka aghara imejuputa atụmatụ agụmakwụkwọ dịka e si wepụta ya na polisi nke Naijirịa.

## Inye Ntụziaka

Ọ bụrụ na a tọọrọ ụmụ akwụkwọ nọ n'ogo praịmarị ntọala bụ ịgba n'ihe banyere iwulite asụsụ agụmakwụkwọ, ha ga na-eme nke ọmà n'agụmakwụkwọ ha.

Ndị nkuzi ga-enyere ụmụ akwụkwọ aka ịmụta asụsụ epum ha ($L_1$) ma ọ bụ asụsụ a na-asụ na gbụrugbụru ha site n'iji ya akụziri ha ihe n'ogo praịmarị nke nta.

Ndị gọọmenti ga-agbalị nye ndị nkuzi ọzụzụ pụrụ iche. Mbọ gọọmenti etiti na-agba inye ndị nkuzi ọzụzụ UBE-FGN bụ nke a nabatara. Ndị ọkammụta ga-agba mbọ wulite ọtọgrafị, depụta isiokwu a ga-akụzi n'asụsụ epum ($L_1$). Ọ dị nnukwu mkpa ịkụziri nwata ihe n'asụsụ epum ya n'ihi na o ga-enyere ya aka ịmụta omenaala, nkwenye na ụkpụrụ dị mma nke ga-enyere ya aka gbazie akparamagwa ya ka o bie ndụ ya otu o kwesịrị.

Ebe ọ bụ na asụsụ bụ ngwa e ji akụzi ihe, ọ dị mkpa na ndị ahụ ga-akụzi ya, ma ọ bụ jiri ya akụzi sobụjekiti ndị ọzọ, nwee ọzụzụ nke ga-eme ka ha tozue oke n'Ịrụ ọrụ ha nke ọma. A ga-

ahụ na nhọpụta ntozuoke a ga-agbado ụkwụ n'ihe abụọ ndị a. Nke mbụ bụ na onye nkuzi ahụ ga-enwe asambodo, nke ọzọ bụ site n'ịnwale onye ahụ n'ule iji mata ma ọ makwaara nke ekwe na-àkụ n'ihe gbasara asụsụahụ.

A ga-ebipụta ma kesaa ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ, akwụkwọ akụkọ nkenke dị iche iche n'ogo agụmakwụkwọ nke praịmarị .

Ndị ọrụ ǹlekọta ma ndị nchekwa agụmakwụkwọ n'ogo a ga-ahụ na ha banyere n'ọrụ, ịdị na-aga n'ụlọakwụkwọ kwamgbe kwamgbe ịmata otu nkuzi na mmụta si aga n'ogo agụmakwụkwọ praịmarị; ọ kachasị ịmata ma ndị nkuzi ha na-ejikwa asụsụ epum ($L_1$) akụzipụta sobụjekiti ndị ọzọ dịkà polisi si kwuo.

N'ikpeazụ, njem nlekọta a abụghị naanị n'ụlọakwụkwọ praịmarị nke gọọmenti (Public schools), a ga-ahụ na ụlọakwụkwọ praịmarị ndị nọọrọ onwe ha (private schools), sokwa na ndị a ga-elebara anya ịhụ na ha na-erube isi n'atụmatụ agụmakwụkwọ dịkà edere ya n'ime akwụkwọ polisi nke Naijiira.

Nke a ga-enye aka mee ka ebumnuche nke gọọmentị gbasara ogo agụmakwụkwọ nke praimari na Naijiria buru ihe ga-amịta ezi mkpụrụ

**Nchịkọta**

Edemede a lebara anya na uru na ụfọdụ ihe na-eche aka mgba nyere iji asụsụ epum ($L_1$) akụzi ihe n'ogo agụmakwụkwọ praịmarị na Naijiria. Asụsụ bụ isi a hụrụ kwawa okpu ịhụ na agụmakwụkwọ n'ogo nke praịmarị bụ ihe gara nke ọmà. N'ihi ya, a ga-agba mbọ hụ na ụmụaka nwere nghọta na nka dị iche iche n'asụsụ epum ha.

Inwe nka n'asụsụ epum n'ogo praịmarị nke nta (praịmarị 1-3), bụ ihe ga-emepere ụmụaka Naijiria ụzọ dị iche iche n'agụmakwụkwọ ha. N'ihi nke a , a ga-emepụta ọtọgrafị maka ọtụtụ asụsụ ala anyị dị iche iche ndị enwebeghị ọtọgrafị. Ndịnkụzi ga-enwetakwa ọzụzụ pụrụ iche nke ga-enyere ha aka ịkụzipụta ihe a chọrọ na klaasị. Gọọmenti etiti nke Naijiria ehiwela nkuzi na omụmụ pụrụ iche maka ndị nkuzị n'ogo praịmarị nke a kpọrọ TESSA. Ndị nkuzi kwesịrị iji ohere a wee rite elele nke ọzụzụ ahụ na-enye, site n'iwulite nka na enwemike ha ịkụzị n'ogo agụmakwụkwọ praịmarị na Nairjiria. Nke a ga-eme ka ebumuche nke gọọmeet etiti gbasara ogo agụmakwụkwọ praịmarị na Naijira bụrụ ihe mịtara mkpụrụ.

## Edensibia

Adegbija, E. (1994). *Language Attitude in Sub-Saharan African. A Sociolinguistic Overview,* Bristol, Longdunn Press.

Baker, C. (2000). *A Parent's and Teacher's Guide to Bilingualism*. 2nd Edịtion Clevedon, England Multilingual Matters.

Ball, J. (2010). Enhancing learning of children fro diverse language backgrounds: Mother tongue-based bilingual or multilingual Education in the early years, UNESCO. ***http://unesdoc.unesco.org/images/0018/001869/18696ie.pdf***.

Blench, R. (2002). *Research on Minority Languages in Nigeria*. FEL. Newsletter 2001 Ognios.

Chụọ, K. G., & Walter, S. (2011). The Kom experinmental mother tongue education project report for 2011.

Collier, V.P, na Thomas, W.P. (2004). The astounding effectiveness of dual language education for all. NABE *Journal of Research and Practice*, 2(1), 1-20

Cummins, J. (1999 – 2003). BICS and CALDS. Retrieved from ***http://www.iteachilearn.com/cummins/basicalp.html .equaleducationoppoutunityact***

Federal Republic of Nigeria. (2004:2014). *National Policy on Education*. Lagos NERDC Press.

Garcia, E. E. (2005). *Teaching and Learning in two languages: Bilinqual and Schooling in the United States.* Teachers College Press.

Iyobhebhe, A.E. (2005). "Contemprary Issues in Primary Science Education, Teaching Quality in Nigeria; a Search for New Dịrection". *Journal of Childhood and Primary Education*. 1(1) 1-7.

Maduewesi, J. And Eguabor, V.O. (2005). "Contemporary Issues in Primary Education. *Journal of Childhood and Primary Education.* 1(1) 1-7.

Mohammed, A.M. (2011). TESSA-Integrated Manual for the Retraining of Teaching. Adapted for the FGN/UBE-MDGs 2011*". Federal Teachers Scheme Induction/Orientation Workshop UBEC, Abụja*.

Musa, R.J. (2010). "The Role of Mother Tongue Education in National Development". *In Social Studies and Integrated National Development in Nigeria*. Emman Osakwe (Ed.) 75-82.

Quadraogo, R.W. (2000). Language Planning and Language Policies in Some Selected West African Countries. Bụkina Faso: 11CBA.

Skutnabb-Kangas, T. (2000). Linguistic Genocide in Education-or-Worldwide Diversity and Human Right. Mahwah, N.J. Lawrence Eribaum Associetes.

UNICEFF (2011). Action Research on mother tongue-based education: Achieving quality, equitable education. ***http://www.vn.one.un.org***.